# ỊTỤLE NGOSI OGE N'OLU ẸZAA

**Jeremiah A. Nwankwegu (Ph.D)**
jerrynwankwegu@gmail.com
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki

**Ndụbụisi Joseph Nwanganga**
josephnwanganga@gmail.com
Ngalaba Asụsụ na Lingwistiks
Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki

**Ụmị**
Isi okwu nchọcha a bụ ịtụle ngosi oge n'olu Ẹzaa. Mbunuche ya bụ ịmata ogo oyiyi na ndịmiche n'etiti ngosi oge Igbo izugbe na olu Ẹzaa. Nchọcha a bụ nke nkọwa. E ji nleta nsonye, ntụleghari agụmagụ na amamihe e nwere, nakọta ma họrọ njatụle nke nchọcha a. Nchọcha a gbasoro atụtụ ndokọ nakwa atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe. A chọpụtara na olu Ẹzaa na-agbaso usoro mwube okwu Igbo izugbe na mmem ngosi ụdị oge ọ bụla. A chọpụtakwara na ndịmiche ha na-esi na ndị iche n'etiti mkpụrụ asụsụ ụfọdụ nwere otu ụdị ọrụ. Ọzọ, mmem ngosi oge ndịnugbu n'Igbo izugbe na-agbaso iwu ndakọrịta ụda ume mana nke Ẹzaa anaghị agbaso. Ọzọ kwa, na mgbakwụnye 'r+ụ' e ji emebe oge ndịnazụ, 'ụ' nke Igbo izugbe na-abụ mmụba ụda ume isi ngwaa, mana nke Ẹzaa na-abụ ụda ume u/ụ dabere na ndakọrịta ụda ume. A chọpụtakwara na Igbo izugbe nwere mkpụrụ asụsụ pụrụ iche e ji ewube ngwaa ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu n'otu n'otu, mana olu Ẹzaa na-eji otu ụdị mkpụrụ asụsụ ewube ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu; naanị akara ụda olu ka e ji amata nke bụ nke n'olu asụsụ ahụ. Nchọcha a gosipụtara uru akara ụda olu n'izipụta ndịmiche n'echiche ndokọ okwu nwere otu nhazị mkpụrụ edide. Ya mere e ji tụọ arọ ime nchọcha n'etu ụda olu si abata n'igosipụta ndịmiche n'ewumewu nwere otu ụdị ndokọ; ọ bụghị sọ n'olu Ẹzaa kama n'Igbo izugbe na n'olu ndị ọzọ.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** ngosi oge, ngwaa, mgbakwụnye, eserese nnawa na ụda olu

**Abstract**
The title of this work is examination of tense in Ẹzaa dialect. The aim of the work is to understand the level of similarities and differences in tense formation, in standard Igbo and Ẹzaa dialect. The research is descriptive in nature. The researchers used participant observation, review of related literature and their wealth of knowledge to elicit data for the work. The data were analyzed using binary branching and auto-segmental theory. The findings revealed uniform structure in the formation of all tense in both standard Igbo and Ẹzaa dialect. It also showed that difference only exists in the morphemes of the tense formations. Another difference was seen in the formation of present tense. While standard Igbo employs affixation depending on vowel harmony, Ẹzaa dialect does not consider vowel harmony in the affixation. Also, in 'r+v' affix of past tense formation in standard Igbo, the 'v' is usually the duplication of the vowel of the verb root, but in Ẹzaa, the' v' is usually 'u/ụ' vowel, in harmony with the vowel of the verb root. The research also found that while standard Igbo has different morpheme each for continuous tense and future mood respectively, Ẹzaa dialect uses one morpheme for the two; with tone as the differing factor. The findings therefore reiterate the role of tone in differentiating meanings of structures with similar letters but different pronunciations and meanings. It was on this note that the research recommends another research on the role of tone in analyzing meaning differences in structures of same formations, not just in Ẹzaa dialect but in standard Igbo and other Igbo dialects.

**Key words:** tense, verb, affixes, binary branching and tone.

## 1.1. Mkpọlite

Ngosi oge bụ otu alaka ụtọ asụsụ zuru ụwa ọnụ. Emenanjọ (1978) mere ka a mata na ọ bụ ọnọdụ e ji amata ihe banyere oge emereme ọ bụla. Dị ka otu alaka ụtọ asụsụ, a na-ahụta ya site na ngwaa nke asụsụ ọ bụla. Ọ na-apụta ihe dabere n'ụdị na n'ọnọdụ ngwaa nke ahịrị okwu ọ bụla. Nke a pụtakwara na e nwere ike ịhụta ngosi oge n'ime ahịrị okwu ọ bụla. Etu ọ sila dị, Akanisi (2008) kwuru na ngosi oge na-apụtakarị ihe n'ahịrị nkwusa. Nke a nwere ike ịdị n'ụdị nkwe ma ọ bụ njụ. Mana, ọ bụ n'ọnọdụ nkwe ka a na-agbadokarị ụkwụ n'ịkọwa na n'ịghọta ihe banyere ngosi oge n'asụsụ ọ bụla. Ọ bụkwa n'ọnọdụ a ka a gbadoro ụkwụ mee nchọcha a.

Ya bụ, n'akụkụ ụwa gbaa gburu gburu, ọnọdụ ngosi oge abụrụla ihe oke ịtụ uche nyere otụtụ ndị ọka mmụta. Eze na Nweze (2022) mere ka a mata na nchọpụta ndị pụtarala ihe gosiri na e nwere echiche dị iche iche metụtara ngosi oge n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ n'echiche ndị ahụ na-ekwu na e nwere ike isite n'ụda olu nwee ngosi oge, ebe ndị ọzọ kwenyere na ọ bụ sọ site na mkpụrụ edide ka e nwere ike isi gosi ya. Ọ bụghị sọ nke a, nchọcha e merela n'olu asụsụ ụfọdụ e nwere n'Igbo Izugbe na-egosi na a na-eji sọ mkpụrụ asụsụ nnọrọ onwe egosi oge. Ụfọdụ gosiri na ọ bụ naanị site na mkpụrụ asụsụ ndabe. Ụfọdụ gosiri na ọ bụ sọ site n'ụda olu. Ndị ọzọ gosiri na ọ bụ site na njikọ nke mkpụrụ edide ndabe na nke nnọrọ onwe, ebe ndị ọzọ gosiri na ọ bụ site na njikọ nke ụda olu na mkpụrụ edide ndị ahụ. N'olu asụsụ ndị ahụ e merela nchọcha dị etu ahụ, e nweziri ike ikwu ma ọ bụ kọwaa ogo myiri na ogo ndị iche n'etiti nke ọ bụla na Igbo Izugbe. N'olu Ẹzaa, o nwebeghi nchọcha ọ bụla e merela metụtara ngosi oge ya, nke e ji enwe ike ịkọwa ụdị myiri ma ọ bụ ndị iche metụtara ọnọdụ ngosi oge nke ya bụ olu asụsụ na nke Igbo izugbe.

Nwanganga (2022) mere ka a mata na nkwalite nke uto nke olu ndị na-enye aka n'ịkwalite uto nke asụsụ nwe olu ndị ahụ. O mekwara ka a mata na otu n'ụzọ e si akwalite olu ndị ahụ bụ site n'inyocha ma kọwapụta otu n'ihe ndị mejupụtara ya bụ olu ndị. Nke a bụ ihe ọrụ a bu n'uche. Ebe e nwerela usoro ngosi oge a ma ama n'Igbo izugbe, ọ dị mkpa na e sitere na ya wee lebaa anya na nke olu Ẹzaa. Nke a ga-enye aka n'ịmata ogo myiri na ndị iche pụtara ihe n'etiti Igbo izugbe na olu Ẹzaa, dị ka otu n'olu asụsụ nke ya bụ Igbo izugbe.

## 1.2. Mbunuche nchọcha

Isi mbunuche nchọcha a bụ ịmata ogo oyiyi na ndịmiche pụtara ihe na mmem ngosi oge Igbo izugbe na olu Ẹzaa. Iji nweta ya bụ mbunuche, e ji nkerisi mbunuche ndị a rụọ ọrụ:

i. ụdị ngosi oge

ii. Ọrụ ụda olu nye ngosi oge ndị yiri onwe ha n'ụda da edide

## 2. Ntụleghari̧ agụmagụ

### 2.1. Ntụleghari̧ okwu njimarụ

#### 2.1.1. Ngosi oge

Ume, Ugọji̧ na Dike (2015) kpọrọ ngosi oge tensi̧. Ọ kọwara ya dị ka mgbakwụnye a na-etinye n'isi ngwaa iji rụọ aka n'oge kpọm kwẹm. Comrie (1985), Bhat (1999) na Saeed (2003) kwenyekwara n'echiche ahụ. Ha gbakwụnyere na ngosi oge bụ mgbakwụnye ụtọ asụsụ ngwaa, nke e ji amata ihe banyere oge emereme. Mana Lyons (1968) kwuru na njirimara ngosi oge pụtakari̧si̧ri̧ ihe bụ ọnọdụ emereme nye oge nkwupụta ya. Ọ bụ nke a mere Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuọna, Akaeze, Ọnụ, Eze, Prezi na Odii (2013) ji kọwaa ngosi oge dị ka isi ngwaa nke na-egosi ndị̧miche n'etiti ndị̧nazụ na ndị̧nugbu.

Ụzọ ihe abụọ pụtara ihe n'echiche ndị ahụ. Ha bụ oge nkwupụta emereme na nzi ngosi oge. Metụta oge nkwupụta emereme, e nwere ike ikwupụta emereme ozugbo ọ na-eme. E nwekwara ike ikpupụta ya oge o mechara. E were ya mere ihe, a ga-enwe ụdị ngosi oge abụọ: ngosi oge ndị̧nazụ na ngosi oge ndị̧nugbu. Ọ bụ n'ụdị ngosi oge ndị a ka a gbadoro ụkwụ rụọ ọrụ a.

Metụta nzi ngosi oge, Akanisi (2008) kwuru na ngosi oge bụ ụdị̧dị ngwaa. Nke a pụtara na ọ bụ ụdị̧dị ngwaa e nwere na-egosi ụdị ma e nwere ngosi oge ka ọ bụ na enweghi n'okwu. Ọ bụrụ na e nwere, ọ bụkwa ụdị ngwaaa ahụ gosiri ya ka a ga-eji mata ụdị ngosi oge e nwere. Nweze (2009) mere ka a mata na ngosi oge na-apụta ihe n'ụdị mgbakwụnye. Ọ bụ ezie na ngosi oge nwere ike i̧bụ mgbakwụnye ngwaa, ọ pụtaghị na ọ bụ mgbakwụnye ngwaa niile na-abụ ngosi. N'aka nke ọzọ, ngosi oge nwekwara ike bụrụ mkpụrụ asụsụ alaka ngwaa nkwụrụ onwe.

#### 2.1.2. Ngwaa

Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuọna, Akaeze, Ọnụ, Eze, Prezi na Odii (2013) kọwara ngwaa dị ka nkeji asụsụ nke na-egosi emereme n'ọnọdụ nke omee. Nke a pụtara na e nwere ọdị̧dị nwere ike izipụta emereme mkpọ aha, ma nwekwara ọdị̧dị nwere ike izipụta ọnọdụ mkpọ aha. Emenanjọ (1991) kpọrọ ngwaa emereme 'ngwamme'. Ọ kọwara ya dị ka ngwaa na-ezipụta omume ihe ma ọ bụ ihe a na-eme eme. N'aka nke ọzọ, ọ kpọrọ ngwaa ọdị̧dị 'ngwandị'. Ọ hụtara nke a dị ka ngwaa na-ezipụta ọdị̧dị ihe, ihe na-enweghi ike ime eme. Echiche ahụ na-egosi na ngwaa nwere ike igosi ọnọdụ omee ma ọ bụ emereme omee. Ndimele (1999) kwuru na ngwaa na-agbanwe ọdị̧dị ya dabere n'oge emereme. Nke a pụtakwara na ọdị̧dị ngwaa emereme na-adabere n'oge emereme. Ebe ngosi oge metụtara oge emereme, a gbadoro ụkwụ na ngwaa emereme wee mere ihe n'ọrụ a.

### 2.1.3. Mgbakwụnye

Emenanjọ, Okolie, Ekwe na Madụakọ (1986) hụtara mgbakwụnye dị ka irighiri okwu ụfọdụ a na-agbakwụnyere ngwaa. Ọ bụ mgbakwụnye na-eme ka e nwee ọdịdị ngwaa dị iche iche. Mgbakwụnye nwere ike ibute ngosi oge ma ọ bụ ụdị ngalaba ụtọ asụsụ ndị ọzọ dị iche iche. Okafọ na Ewelụkwa (2012) kwuru na e nwere ike isi na mgbakwụnye ndịnazụ nweta ngosi oge ndịnazụ n'asụsụ Igbo. Mgbakwụnye ndịnazụ ahụ ka Emenanjọ (1991) gosiri dị ka 'r+ụ', ebe 'r' bụ agbanwe agwanwe, 'ụ' bụ ejima ụda ume isi ngwaa. Nke a bụkwa echiche ọha na eze nabatara. Emenanjọ (2015) mere ka a mata na ọ bụ sọ ngosi ngosi oge ndịnazụ pụtara ihe ọfụma n'asụsụ Igbo. Etu ọ dị, Eze na Nweze (2022) gosiri na a na-enwe ngosi nge ndịnugbu site na mgbakwụnye nganihu ụda ume 'e' ma ọ bụ 'a', inweta omeka ngwaa. Mgbakwụnye nke ọ bụla na ndị a na-adabere na ndakọrịta ụda ume nke mgbakwụnye na isi ngwaa. N'ọrụ a, a gbasoro ụdị mgbakwụnye abụọ ahụ metụtara ngosi oge ndịnazụ na ngosi oge ndịnugbu Igbo wee mere ihe.

### 2.1.4. Ụda olu

Mbah na Mbah (2010) mere ka a mata na ụda olu na-agbanwe igosi na e nweela mgbanwe na echiche okwu. Ebe ngosi oge na-apụta ihe na ngwaa, ọ pụtara na e nwee mgbakwụnye batara na ngwaa, ụda olu ngwaa ahụ nwere ike ịgbanwe. Emenanjọ (1991) kwukwara na mgbe e nwere mgbakwụnyere na a na-enwe ụda mgbanwe. Ebe, nzi ngosi oge ndịnazụ na nke ndịnugbu na-abụ mgbakwụnye batara n'isi ngwaa, ọ pụtara na a na-atụ anya ụda mgbanwe dị ka nke na-aghaghị ịpụta ihe n'ime ya. Mbah na Mbah (2014) gbakwụnyere na e nwee mgbakwụnye n'izipụta ngosi oge ndịnazụ, na ụda olu isi ngwaa ga-agbanweriri bụrụ ụda olu ala. Mgbakwụnye ahụ n'onwe ya ga-abụkwa ụda olu ala. Ka ọ dị, e nwee mgbakwụnye ngosi oge ndịnugbu, ụda olu isi ngwaa anaghị agbanwe n'agbanyeghi ụda olu nke mgbakwụnye ahụ. Ọnọdụ ụda olu ndị a bụkwa nke e ji mere ihe n'ọrụ a.

## 2.2. Ntụlegharị atụtụ

### 2.2.1. Atụtụ ndokọ

Atụtụ ndokọ si n'aka onye a ma dị ka nna ukwu nke atụtụ amụmamụ asụsụ, aha ya bụ Ferdinand de Saussure na ndị otu ya. Bei (2013) mere ka a mata na atụtụ ndokọ pụtara ihe n'akwụkwọ a kpọrọ *Cours de linguistique generale* (1916). Atụtụ a pụtara ihe n'ịtọsa na ịghọta mgbakwụnye dị iche iche dị ka nke a na-enye aka n'ịtọsa ezi mmebere nke ahịrị okwu ọ bụla n'ụzọ dị sam.

Atụtụ ndokọ nwere usoro anọ e nwere ike isi kọwaa mmebere ahịrị okwu ọ bụla. A kpọrọ ha usoro nkewa ndịna ewumewu. Ha bụ usoro: akara nkịtị, akara mbudo, eserese nkịtị na eserese nkọwa. Ọ bụ ezie na usoro ndị a dị anọ, ha na-enye otu nkọwa, kama n'ụzọ dị iche iche.

Ọkpụrụkpụ uru atụtụ ndokọ bara bụ na a na-esikwa na ya wee na-egosipụta nkeji asụsụ mgbakwụnyere n'ụdị dị iche iche. Atụtụ a dabara maka ọrụ a. Mana o nweghi ike igosi ma ọ bụ ikwu banyere ụda olu. Nke a mere ka a tụlee atụtụ ọzọ a kpọrọ atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe.

**2.2.3. Atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe**

Atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe pụtara ihe site n'ọrụ Goldsmith (1976). Nwanganga (2022) mere ka a mata na atụtụ a sitere na mmegharị nke agba ndịnokpuru nke Atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda nsiniwu nke (Chomsky & Halle, 1968). Atụtụ a na-elekwasa anya na mkpụrụ ụda edide na ihe mmakwasa niile na-ezipụta ogo olu mkpọpụta nke nkeji okwu o mebere. Atụtụ a nwere ụdọ njikọ nke a na-eji egosipụta etu ụda olu si apụta ihe n'izipụta ndịmiche n'ọkpụkpọ okwu ndị yiri n'odide ma dị iche n'ọkpụkpọ na nghọta. Ebe ụda olu na-apụta ihe na mmem ngosi oge n'ịgbo izugbe, atụtụ a dị mkpa maka nchọcha a.

**2.3. Nchọcha e merela n'isi okwu**

Nweze (2009) mere nchọcha na ngosi oge na ngawanye. Nchọcha ahụ bụ nke o mere n'olu Imilike. Mbunuche ya bụ ịmata na igosipụta ụdị ngosi oge a na-ahụta n'olu asụsụ ahụ. Ọrụ ahụ gosiri na olu Imilike nwere ụdị ngosi oge anọ. O zipụtara ha dị ka: Ngosi oge nganihu, ndịnazụ, ndịnihu na ngaara adị. Ọ bụ ezie na ọrụ ahụ lebara anya na gosi oge n'olu asụsụ e nwere n'asụsụ Igbo, ya na nke a abụghị otu ihe. Nke a matụtara olu Ẹzaa.

Abel na Anyanwụ (2023) mekwara nchọcha n'isi okwu a kpọrọ "Tense, Aspect and Mood in Ìkwéré" n'olu Bekee. Mbunuche nchọcha ahụ bụ ịmata ụdị mmekọrịta ụda olu, mkpụrụ asụsụ na usoro okwu na-enwe n'igosipụta oge na umezi n'olu Ikwere. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ ndokọ, kpọm kwẹm n'usoro eserese nnawa wee rụọ ọrụ ahụ. Nchọpụta na nzi ngosi oge ndịnazụ n'olu asụsụ ahụ bụ otu ihe ya na nke Igbo izugbe, n'ọnọdụ niile. Metụta oge ndịnihu, o gosiri na ọ bụ otu ihe n'usoro ndokọ okwu, mana mkpụrụ asụsụ nnyemaka ngwaa nke olu asụsụ ahụ na-abụ 'Sụ', ya bụ 's'+ ụda ume (a).

Ọzọ, Madụagwụ na Obiamalụ (2024) mere nchọcha igosi nzi ngosi oge (oge kpọm kwẹm na mgbatị oge) na njụ n'olu Ọ̀gbahụ̀. Mbunuche nchọcha ahụ bụ ịmata etu mkpụrụ asụsụ mgbakwụnye si apụta ihe n'olu asụsụ ahụ n'igosipụta nke ọ bụla n'alaka ụtọ asụsụ ndị ahụ. O nweghi atụtụ a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha ahụ. Nchọpụta ya gosiri na ọ bụ sọ ngosi oge


ndịnazụ pụtara ihe ọfụma ma nwee nzi doro anya n'olu asụsụ ahụ. Ọ gara n'ihu gosi na ụdị ngosi oge ndị ọzọ danyere na ngosi mgbatị oge, nke ọ kpọrọ aspekịtị n'olu Bekee.

Ọzọ kwa, Eze na Nweze (2022) mere ntụlekọrịta n'etiti ngosi oge nke Igbo izugbe na olu Imilike. Mbunuche ya bụ nchọcha bụ ịmata ogo omyiri na ndịmiche nke pụtara ihe n'etiti ngosi oge nke Igbo izugbe na olu asụsụ ahụ. A gbadoro ụkwụ n'atụtụ ngosi oge na ngawanye mee nchọcha ahụ. Nchọpụta ya gosiri na a na-enwe ndị iche na mkpụrụ asụsụ ndị na-ebute ngosi oge n'etiti Igbo izugbe na olu Imilike. Ọ bụghị sọ nke a; o gosikwara na ụda olu na-apụta ihe n'ibute ngosi oge. Nchọcha ahụ na nke a yiri. Ihe dị iche n'etiti ha bụ na ebe e mere nke ahụ n'etiti Igbo izugbe na olu Imilike, e mere nke a n'olu Ẹzaa.

N'ọzọ yiri nke a, Ụwaezuoke na Ogunkeya (2024) mere nchọcha ntụlekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Yoruba nke a kpọrọ n'olu Bekee "Contrastive Morphological analysis of Tense formation in Igbo and Yoruba". O nweghi atụtụ a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha ahụ. Nchọpụta nchọcha ahụ gosiri na e nweghi nzi ngosi oge ndịnugbu na nke ndịnazụ n'asụsụ Yoruba, ebe asụsụ Igbo nwere. Metụta umezi ndịnihu, Igbo na-eji nnyemaka ngwaa, ebe asụsụ Yoruba na-eji mkpụrụ asụsụ nnọrọ onwe wee na-eme ihe. Nchọcha ahụ yitere nke a n'ihi na ha ncha metụtara ntụlekọrịta n'ụdị ịmata ebe oyiyi na ndịmiche.

### 2.4. Atụtụ nchọcha a gbasoro

A gbasoro atụtụ abụọ mee nchọcha a: atụtụ ndokọ na atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe. Atụtụ ndokọ na-eleru anya na mgbakwụnyere na-abata na mkpụrụ okwu. , iji nye ya ọrụ pụrụ iche nke ga-enye aka n'iwepụta ụdị echiche ahịrị okwu e bu n'uche. Dị ka a maara, a na-enwe mgbakwụnye na ngwaa. Nchọpụta egosila na ọ bụkwa site na ya bụ mgbakwụnye ngwaa na-ebu ka a na-esi enweta ma na-amata ụdị ngosi oge e nwere n'Igbo izugbe. Atụtụ a ga-enye aka n'ịtọsa ụdị ọnọdụ a na nchọcha a. N'iji ya bụ atụtụ rụọ ọrụ, e weere eserese nkọwa, nke e ji gosipụta mgbakwụnye nke ọ bụla dị ka o si apụta ihe n'igosi oge. Ebe asụsụ Igbo bụ asụsụ ụda olu, a na-enwekarị echiche mgbagwọ ma e wezuga nghọta ụda olu nke okwu ya. N'ihi ya, e webatara atụtụ amụmamụ mkpụrụ ụda ndịnonwe n'igosi nghọta ndịmiche n'etiti ngosi oge ndị nwere otu nsụpe na ndokọ okwu nke nwere mpụtara oge dị iche iche ha na-egosi n'otu n'otu. N'iji ya bụ atụtụ mere ihe, e ji akara ụda olu gbanweta ụdọ njikọ. Mwebata akara ụda olu ndị ahụ gbasoro usoro nkanye akara ụda olu pụtara ihe na Mbah na Mbah (2010), nke na-ewebata akara ụda olu n'igosi ụda olu nke ọ bụla. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ njikọ eserese nkọwa na usoro akara ụda olu nke sitere n'atụtụ abụọ ndị a ka e ji tọsaa njatụle nke ọrụ nchọcha a.
Lee ka ha si abata n'ịrụ ọrụ a:




Mata: $I^{II}$-aba nnawa, Mkp-nkeji mkpọ aha, Mkp-mkpọ aha, Nnọ-nnọchi aha, Ụdl-ụda olu, Ụda-ụda olu ala, Nzg-nzi ngosi oge, Ngh-nganihu, $I^{I}$-aba enwe nnawa, Ngw-ngwaa.

Eserese ahụ na-egosi na ụda olu ala na nganihu 'ru' bụ ngosi oge ndịnazụ. Ha jikọkwara butuo ụda olu nke isi ngwaa ka o nwee ụda olu ala.

**2.5. Nchịkọta ntụleghari agụmagụ**

Site n'agụmagụ ndị a tụlere, a chọpụtara na e nwere ụdị ngosi oge abụọ n'asụsụ Igbo: ngosi one ndịnugbu na nke ndịnazụ. Ọzọ, a chọpụtakwara na ime ntụlekọrịta n'etiti ngosi oge Igbo izugbe na nke olu asụsụ e nwere n'Igbo izugbe dị oke mkpa n'ikwalite uto nke asụsụ Igbo. Na nchọcha ndị ke e merela eme metụta ngosi oge n'asụsụ Igbo, o nweghi ka e si gosi ogo mbata uda olu na mmeme ya bụ ngosi og. Ọ bụ n'ebe a ka uru nchọcha a nọ chawapụta. N'ikpe azụ, ntụleghari agụmagụ ahụ mere ka a mata na ụzọ kacha mma iji gosipụta ụdị ngosi oge ọ bụla bụ ịgbaso atụtụ ndokọ na atụtụ mkpụrụ ụda ndịnonwe. Nke a mere e ji gbado ụkwụ n'atụtụ abụọ ndị ahụ rụọ ọrụ a.

**3. Ntụcha njatụle**

Mpaghara a lebara anya na ntụcha njatụle dị ka o si metụta ngosi oge n'olu Ẹzaa. O lebara anya ma chọpụta:

i. Ụdị ngosi oge

ii. Ọrụ ụda olu nye ngosi oge ndị yiri onwe ha n'ụda edide


**3.1. Ụdị ngosi oge**

**3.1.1. Ngosi oge ndịnugbu:** Nke a metụtara emereme bidoro ma dịkwa ire n'oge nkwupụta ya. E nwere usuru abụọ nke a si apụta ihe n'Igbo Izugbe.

a. **Usoro nke mbụ:** Nke a na-apụta ihe dabere n’ọnọdụ abụọ.

i. Ebe omee bụ mkpọ olu nnọchi onye abụọ, mkpọ olu nnọchi onye atọ ma ọ bụ nnọchi enwe onye. Lee ihe atụ n’Igbo izugbe na mmem ya n’olu Ẹzaa:

1. **A** — **Igbo izugbe: Ò ríé** **B** — **Olu Ẹzaa: Ò rýíá**




Mata: Ụde-Ụda olu elu

N’eserese nkọwa ndị ahụ, ngosi oge ndịnugbu pụtara ihe n’Igbo izugbe bụ mgbakwụnye nganihu ‘e’ a gbakwụnyere n’isi ngwaa ‘ri’. Nke olu Ẹzaa bụ mgbakụnye nganihu ‘a’ a gbakwụnyere n’isi ngwaa ‘ryi’. Ụda olu mgbakwụnye ahụ na-abụ ụda olu elu na nke ọ bụla. Ụda olu elu ahụ anaghị agbanwe ụda olu nke isi ngwaa n’ụdị na nke ọ bụla.


ii. Ebe omee abụghị mkpọ olu nnọchi onye abụọ, mkpọ olu nnọchi onye atọ ma ọ bụ nnọchi enwe

Lee ihe atụ n’Igbo Izugbe na mmem ya n’olu Ẹzaa:

2.


**2**

**Igbo izugbe: Há**




**2B**

**Olu Ẹzaa: Hwẹ èfúá/ékpùá**




Mata: Ụdl$^{1}$-ụda olu mbụ, Ụae-ụda olu elu ma ọ bụ ụda olu ala, Nzg$^{1}$-nzi oge mbụ, Ngz-nganazụ, Ụdl$^{2}$-ụda olu abụọ, Nzg$^{2}$-nzi oge abụọ, Ụdl$^{3}$-ụda olu atọ, Ụea-ụda olu elu ma ọ bụ ụda olu ala. N'ebe a, a chọpụtara na a na-eji ụda ume nganihu na ụda ume nganazụ a gbakwụnyere n'isi ngwaa wee na-egosi oge ndịnugbu n'ọnọdụ nke abụọ. Ụdl$^{1}$gosiri na ụda olu nganazụ nwere ike ịbụ ụda olu elu ma ọ bụ ụda olu ala, dabere n'ụda chi nke isi ngwaa. Ọ bụrụ na ụda chi isi ngwaa bụ ụda olu elu, ụda olu nke nganazụ ga-abụ ụda olu ala mana ọ bụrụ na ụda chi isi ngwaa bụrụ ụda olu ala, ụda olu nganazụ ga-abụ ụda olu elu. N'aka nke ọzọ, Ụdl$^{2}$ gosiri na ụda olu nganihu na-abụ ụda olu elu n'agbanyeghi ụda olu nke isi ngwaa na ụda olu nke nganazụ. N'aka nke ọzọ, Ụdl$^{3}$ gosiri na ụda olu isi ngwaa nwere ike ịbụ ụda olu elu ma ọ bụ nke ala. Ọ bụkwa otu usoro ahụ ka a hụrụ na mmem nke olu Ẹzaa.

b. **Usoro nke abụọ:**

Lekwaa ihe atụ nke a n'Igbo izugbe na mmem ya n'olu Ẹzaa


**3.** **3A**

**Igbo izugbe: Há nà-èsí/nà-ésì**



**3B**

**Olu Ẹzaa: Hwẹ́ lẹ̀-èshí/lẹ̀-éshì**





Mata: Nng-nnyemaka ngwaa.

Eserese ahụ gosiri na a na-eji nnyemaka ngwaa na ụda ume nganazụ ezipụta ngosi oge ndịnugbu n'usoro nke abụọ ya. Ụda olu nnyemaka ngwaa na-abụ ụda olu ala. Ụda olu nke nganazụ nwere ike bụrụ nke ala ma ọ bụ nke elu, dabere n'ụda chi nke isi ngwaa. Ọ bụkwa otu usoro ahụ ka a hụtara na nke olu Ẹzaa.

**3.1.2. Ngosi oge ndinazụ:** Nke a metụtara emereme kwụsịrị tupu e kwupụta ya.

Lee ihe atụ nke a n’Igbo izugbe na mmem ya n’olu Ẹzaa

4.




Eserese ahụ na-egosi na ụda olu ala na nganihu ‘r+ụ’ bụ ngosi oge ndịnazụ n’Igbo izugbe. Ha jikọkwara butuo ụda olu nke isi ngwaa ka o nwee ụda olu ala. Ọ bụkwa otu ihe ahụ ka a hụrụ n’olu Ẹzaa.

**3.2. Ọrụ ụda olu nye ngosi oge ndị yiri onwe ha n’ụda edide**

E nwere ụdị ngosi oge ndị yiri onwe ha na mkpụrụ edide na n’usoro ndokọ okwu ha. Ọ bụ ezie na ụdị oyiyi a apụtaghị ihe n’Igbo izugbe, ọ pụtara ihe n’olu Ẹzaa, kpọm kwẹm n’etiti ngosi oge ndịnugbu (usoro nke abụọ) na umezi ndịnihu. Naanị ihe ga-eme ka a mara ndịmiche n’etiti ha bụ ndị iche n’ụda olu ha. Ọ bụ site n’ịkanye akara ụda olu ka e si amata ndịmiche dị etu ahụ. N’ebe a, e gosipụtara oyiyi ha n’ụda edide ma gosikwa ndịmiche ha n’ụda olu

**3.2.1. Oyiyi n’ụda edide nke ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu nke olu Ẹzaa**:

Otu n’usoro ngosi oge ndịnugbu nke olu Ẹzaa na-agbaso usoro nke abụọ nke ụdị ngosi oge ahụ n’Igbo izugbe. Usoro nke abụọ n’ebe a bụ nke na-apụta ihe site n’iji akara uhie jikọọ ‘na’ nnyemaka ngwaa na omeka ngwaa n’Igbo izugbe. N’olu Ẹzaa, a na-eji akara uhie ejikọ ‘lẹ’ nnyemaka ngwaa na omeka ngwa. N’aka nke ọzọ, umezi ndịnihu n’Igbo izugbe na-eji akara uhie jikọọ ‘ga’ nnyemaka ngwaa na omeka ngwaa ebe nke olu Ẹzaa na-eji akara uhie ejikọ ‘lẹ’ nnyemaka ngwaa na omeka ngwaa. Ụda olu nnyemaka ngwaa ndị a n’ụdị na n’ebe ọ bụla na-abụkwa ụda olu ala. Nke a pụtara na ọ bụ otu nnyemaka ngwaa ‘lẹ’ ka olu Ẹzaa ji egosipụta


usoro nke abụọ na ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu. Usoro njikọ ha bụkwa otu. Ọ bụ ebe a ka a na-ahụta oyiri n'ụda edide n'etiti ha n'olu Ẹzaa

Lee ihe atụ ya

5. **5 A**

**Ngosi oge ndịnugbu n'olu Ẹzaa:**


**Hwe le-eie (Há nà-àgá)**




**5 B**

**Umezi ndịnihu n'olu Ẹzaa**

**Hwe le-eie (Há gà-àgá)**




Eserese ahụ gosiri mgbagwọ echiche metụta nke bụ ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu.


**3.2.2. Ndịmiche n'ụda olu ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu nke Olu Ẹzaa**:

Dị ka a hụrụ na 4.2.1, usoro ụda edide niile mebere ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu bụ otu. Ka ọ dị, ọ bụ site n'akara ụda olu ha ka a ga-eji mara na ha dị iche. Ndịmiche n'ụda olu ahụ na-apụta ihe naanị n'isi ngwaa ha na na nganazụ ha n'otu n'otu.

Lee eserese nkọwa gosiri nke a:


6. **6 A**

**Ngosi oge ndịnugbu n'olu Ẹzaa: Hwẹ́ lẹ̀-èshí/ éshī (Há nà-èsí/ ésì)**




**6 B**

**Umezi ndịnihu n'olu Ẹzaa: Hwẹ lẹ̀-éshī/ éshì (Há gà-èsí/ ésì)**



Mata: Ụna-Ụda olu nsụda ma ọ bụ ụda olu ala

Atụ nke 6A bụ ngosi oge ndịnugbu. N'eserese nkọwa ya, nnyemaka ngwaa 'lẹ' nwere ụda olu ala nganazụ 'ẹ' nwere ike inwe ụda olu ala ma ọ bụ ụda olu elu, dabere na ngakọ nke ya na ụda olu isi ngwaa. Ọ bụ ogo olu ahụ ka a na-ahụta na mmem ngosi oge ndịnugbu n'olu Ẹzaa. N'atụ nke 6B, a hụrụ umezi ndịnihu. N'eserese nkọwa nke ya, mnnyemaka ngwaa 'lẹ' nwere ụda olu ala, nganazụ 'ẹ' nwere ụda olu elu ebe isi ngwaa nwere ike inwe ụda olu nsụda ma ọ bụ ụda olu elu, dabere na ngakọ ya na ụda olu nganazụ. Ọ bụ etu ahụ ka a na-ahụta ya na mmem umezi ndịnihu n'olu Ẹzaa.

Ya bụ, n'agba ụtọ asụsụ mgbanwe, a na-ahụta ndị iche ahụ naanị n'omeka ngwaa nke olu Ẹzaa. Lee ha:

i. **AE/ EN:** Nke a bụ usoro ụda olu omeka ngwaa n' usoro nke abụọ na ngosi oge ndịbugbu nke olu Ẹzaa.

ii. **EN/ EA**: Nke a bụ usoro ụda olu omekangwaa n'umezi ndịnihu nke n'olu Ẹzaa.

Nke ahụ pụtara na ọ bụrụ na omeka ngwaa ndịnugbu nwee ụda olu ala na nke elu, omeka ngwaa umezi ndịnihu ga-enwe ụda olu elu na nke nsụda. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na omeka ngwaa ndịnugbu nwee ụda olu elu na nke nsụda, omeka ngwaa umezi ndịnihu ga-enwe ụda olu elu na nke ala.

Lee ntụlekirta ha abụọ n'atụ a:

7. A. Ngosi oge ndịnugbu n'olu Ẹzaa

Ànyị́ lẹ̀-ẹ̀jé (Há nà-àgá)
| |
A E

B. Ngosi oge ndịnihu n'Olu Ẹzaa

Ànyị́ lẹ̀-ẹ́jē (Há gà-àgá)
| |
E N

8. A. Ngosi oge ndịnugbu n'olu Ẹzaa

Ànyị́ lẹ̀-ẹ́shī ń̄shì (Há nà-éśī ńśì)
| |
E N

B. Ngosi oge ndịnihu n'Olu Ẹzaa

Ànyị́ lẹ̀-ẹ́shì ńshì (Há gà-éśì ńśì)
| |
E A

Mata: AE-ụda olu ala na ụda olu elu, EA-ụda olu elu na ụda olu ala, EN-ụda olu elu na ụda olu nsụda.

Atụ ndị ahụ na-egosi nkeji ụda olu e ji amata ndịmiche n'etiti usoro okwu nke ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu. Dị ka a hụrụ n'atụ nke 7A, omeka ngwaa nwere ụda olu ala na nkeji izizi ma nwee ụda olu elu na nkeji nke abụọ. Na nke 7B, omeka ngwaa nwere ụda olu elu na nkeji izizi ma nwee ụda olu nsụda n nkeji nke abụọ. Na 8A, omeka ngwaa nwere ụda olu elu na nke nsụda n'igosi oge ndịnugbu, mana o nwere ụda olu elu na nke ala n'igosi umezi ndịnihu na 8B. Ọ bụ ndị iche n'ogo olu mkpị omeka ngwaa ndị ahụ n'otu ọnọdụ ka e ji amata ndịmiche n'usoro nke abụọ nke ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu n'olu Ẹzaa.

## 4. Nchịkọta nchọpụta, mmechi na aro

Mpaghara a lebara anya na nchịkọta nchọpụta, mmechi na aro

### 4.1. Nchịkọta ihe a chọpụtara

Site na nchọcha a, a chọpụtara na olu Ẹzaa na-agbaso usoro ndokọ okwu nke Igbo izugbe n'imebepụta ụdị ngosi abụọ e nwere. Ịma atụ, n'usoro nke mbụ na ngosi oge ndịnugbu, ha abụọ na-ewebata ụda ume nganihu n'isi ngwaa. N'usoro nke abụọ na mmem ngosi oge ndịnugbu, ha na-ejikwa nnyemaka ngwaa. Na mmem ngosi oge ndịnazụ, ha na-ejikwa 'rụ' nganihu arụ ọrụ. Ụda olu ha na mmem nke ọ bụla n'ụdị oge ndị a bụkwa otu.

Ebe ndịmiche batara n'etiti ha bụ ndị a:

i. Igbo izugbe na-agbaso iwu ndakọrịta ụda ume n'iwebata mgbakwụnye ụda ume nganihu nye isi ngwaa na mwube ngosi oge ndịnugbu mana olu Ẹzaa anaghị agbaso iwu ndakọrịta ụda ume. Ọ na-eji sọ 'a' wee na-eme mgbakwụnye ụda ume nganihu nke ya.

ii. Na mmem ngosi oge ndịnazụ, ha ncha na-eji 'ru' eme ihe. Mana ebe 'u' nke Igbo izugbe na-abụ mmụba ụda ume nke isi ngwaa, nke olu Ẹzaa na-abụ ụda ume 'u' ma ọ bụ 'ụ', dabere na ndakọrịta ụda ume nke ya na ụda ume nke isi ngwaa.

iv. Igbo izugbe nwere mkpụrụ asụsụ pụrụ iche e ji ewube ngwaa ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu, mana olu Ẹzaa bụ otu ụdị mkpụrụ asụsụ ka e ji ewube ngosi oge ndịnugbu na umezi ndịnihu. Ọ bụ akara ụda olu ka e ji amata nke bụ nke n'olu asụsụ a.

### 4.2. Mmechi

Nchọpụta sitere na nchọcha a gosiri na e nweghi ndịmiche pụtara ihe ọfụma n'etiti mmem ngosi oge n'Igbo izugbe na olu Ẹzaa. Ha niile na-agbaso otu usoro mwube na ụda olu n'ime ngosi ụdị ngosi oge nke ọ bụla. Obere ndị iche a hụtara n'ettiti ha bụ nke sitere na ndị iche a na-ahụta

na mkpụrụ asụsụ ụfọdụ mebere nke ọ bụla. Etu o sila dị, e si na nchọcha a hụ etu akara ụda olu si nyee aka n'izipụta ndịmiche n'echiche emereme ngwaa ngosi oge ndị nwere otu ụdị nhazị mkpụrụ edide n'olu Ẹzaa.

**4.3. Aro**

Aro nchọcha a bụ ka onye onye nchọcha ọzọ mee nchọcha n'ịchọpụta etu ụda olu si abata n'igosipụta ndịmiche n'ewumewu nwere otu ụdị ndokọ, ọ bụghị sọ n'olu Ẹzaa kama n'Igbo Izugbe na n'olu asụsụ ndị ọzọ.

**Nrụaka**

Abel M. na Anyanwụ R. J. (2023). Tense, Aspect, and Mood in Ìkwéré. *USEM Journal of Languages, Linguistics & Literature* Vol. 11, 53-70.

Akanisi, O. G. (2008). Tense and Aspect in Abagana Dialect. *Nchọcha Ph.D,EBSU*Abakiliki.

Bhat, S. D. N. (1999). *The prominence of tense, aspect and mood*. John Benjamins.

Bei, J. (2013). *An overview of three linguistic theories and their progress.* www.grịn.cọm. Ụbọchị mbutu: 2/10/24.

Chomsky, N & Halle, M. (1968). *The sound pattern of English*. Harper and Row.

Comrie, B. 1985. *Tense*. Cambridge University Press. Proceses

Ègwím, J. C. (2008). *Ǹtọ̀àlà útọ́ásụ̀sụ́ Ìgbò màkà ńdị́ SSCE, College of Education na ńdí Yùnívásị́tị̀*. Safmos Publishers.

Emenanjọ, E. N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar. A descriptive approach*. Oxford University Press.

Emenanjọ, E. N., Okolie, O. O., Ekwe, B. Ụ. & Madụakọ, O. N. (1986). *Igbo maka sinịọ sekọndịrị 2.* University Press PLC.

Emenanjọ, E. N. (1999). *Nchịkọta asụsụ na ụtọ asụsụ Igbo izugbe.* Learn Africa Plc.

Emenanjo, E. N. (2015). *A grammar of contemporary Igbo: Constituents, features and Process.* M & J Grand Orbit Communication Ltd.

Eyisi, J. (2004). *A grammar of English -the student companion*. Anthony Publishers.

Eze C. J. & Nweze, F. M. (2022) A Comparative Analysis of Tense in the Standard Ígbò and the Ìmìlìkè Dialects. *Unizik Journal of Arts and Humanities* 22 (2):128-163. Ụbọchị mbutu: 10/02/2025

Goldsmith, J. (1976). Autosegmental Phonology. *Nchọcha nzere Ph.D*, MIT. NY:Garland

Lyon, J. (1968). *Introduction to theoretical linguistics.* Cambridge University Press.

Madụagwụ, O. G. & Obiamalụ, O. G. (2024). On Tense, Aspect and Negation

markings in Ògbahù Dialect of Ìgbò. *Unizik Journal of Arts and Humanities, 157-166.* http://dx.doi.org// Ụbọchị mbutu: 15/3/2025.

Mbah, B. M. (2011). *Gb syntax: A minimalist theory and application to Igbo.* Enugwu Press

Mbah, B. M. (Ọhz..) (2016). Principles and parameters. *Theories of linguistics (ihu. 116-131)).* University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2010). *Topics in Igbo Phonology: Contribution from Igbo*. AP Express Publishers.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ* . University of Nigeria Press Ltd.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuọna, C. N., Akaeze, C. M., Ọnụ, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O. & Odii, B. C. (2013). *Igbo adị: Igbo-English dictionary of linguistics and literary terms.* University of Nigeria Press.

Ndimele, O-M. (1999). *Morphology and syntax*. M & J Grand Orbit Communication Ltd.

Nwanganga, N. J. (2022). Ọdịdị mkpụrụ ụda n'asụsụ Igbo. Nchọcha M.A. EBSU, Abakaliki.

Nwáǹzé, R. E. (1991). *Mụ̀á Ìgbò: Ígbó grammar for language students.* In-way Publishers. .

Nwézè, I. M. (2009). Inflections in Ìmìlìkè dialect of Ígbó language. *Journal of Ígbó Language & Linguistics,* l. 117-137.

Omamor, A. P. (1982). Tense and Aspect in Itsekiri. *Journal of West African Languages* 12, 95-129.

Saeed, J. I. (2003). *Semantics.* Blackwell Publishing Limited.

Okafọ, C. Ụ. & Ewelụkwa, U. (2012). Nhazi asụsụ Igbo maka ule siniọ sekọndịrị na kọleeji. A. C. Global Publishing Co.

Ume, I. A., Ugọjị, J.U. & Dike, G. A. (2015). *Ụmị nkọwa ụtọ asụsụ Igbo*. Kawiriz & Manilas Publishers Ltd.

Ụwaezuoke, H. A. & Ogunkeye. O. M. (2024). A Contrastive Morphological Analysis of Tense Formation in Igbo and Yoruba: Implication on Learners and Teachers. *Unizik Journal of Arts and Humanities.* 18(3):193-219. Ụbọchị mbutu: 15/02/2025

**Mgbakwụnyere A: Nkọwa okwu ndebiri**

| **Okwu ndebiri** | **Mpụtara** |
|---|---|
| AE | ụda olu ala na ụda olu elu |
| EA | ụda olu elu na ụda olu ala |
| EN | ụda olu elu na ụda olu nsụda |
| $I^{I}$ | aba enwe nnawa |
| $I^{II}$ | aba nnawa |
| Mkp | mkpọ aha |
| Mmkp | nkeji mkpọ aha |
| Ngh | nganihu |
| Ngw | ngwaa |

| | |
|---|---|
| Ngz | nganazụ |
| Nng | nnyemaka ngwaa |
| Nnọ | nnọchi aha |
| Nzg$^{1}$ | nzi oge mbụ |
| Nzg$^{2}$ | nzi oge abụọ |
| Nzg | nzi oge |
| Ụae | ụda olu ala ma ọ bụ ụda olu elu |
| Ụea | ụda olu elu ma ọ bụ ụda olu ala |
| Ụda | ụda olu ala |
| Ụdl$^{1}$ | ụda olu mbụ |
| Ụdl$^{2}$ | ụda olu abụọ |
| Ụdl$^{3}$ | ụda olu nke atọ |
| Ụdl | ụda olu |
| Ụna | ụda olu nsụda ma ọ bụ ụda olu ala |